# JEKỌB NA OTÙ “NWOKE” NA AGBÁMGBÁ

## Jenesis 32:1-32; 35:9-15

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 25 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN’ISI: “M’gagh-agha gi ka ị la, ma ọ buru na I gọzighm” (Jenesis 32:26).**

**Ndị Mmụọozi Náejéozi**

Mgbe Jekọb buliri ijè ya ọzọ ndị mmụọozi gosi kwara ya onweha ka Leban laghachisịrị ụlọ. Ọ matara ha dịka ndị si n’ebe Chineke nọ bịa, ịbụ ihe naatụaka na Iru nsọ nke Chineke nọnyere ya.

Anyị amụwo ihe banyere ebeọzọ dị icheiche nke náatụaka ebe ndịmmụọozi nọnyere ụmụ Chineke wee napụta ha na nsogbu niile ha. Otù ebe ọzọ kwa nke anyị náemetụbeghị aka bụ nke metụtara Pọl Onyeozi tutu ebilimmiri etiwasịa ụgbọ ya mgbe ọ naaga Rom dịka onye mkpọrọ. Óké ebilimmiri naama kwa n’osimiri ahụ, ọ dịghị ìhè anyanwụ maọbụ kpakpando ahụrụ ọtụtụ ụbọchị. Mmadụ niile tụrụ egwù na ha gaemikpu. Ma Pọl kpereekpere bue kwa ọnụ, Chineke wee nụ za kwa ekpere ya. Otù ụbọchị o guzoro n’iru ndị ahụ nọ n’ụgbọ náezi kwa ha ozi ntụkwasịobi ahụ na ha agaghị ala n’iyi. Otù mmụọozi biakutere ya n’abalị garaaga náasị ya na ọ gaabịaruta Rom na Chineke gaanapụta kwa ndịọzọ ahụ nọ nime ụgbọ. Pọl kwere Chineke, ihe wee mezue dịka mmụọozi ahụ kwuru. Nke ahụ bụ kwa ebe ọzọ náatụaka ebe Chineke gọziri ndịmmehie n’ihi Onye nke Kraist, dịka anyị mụrụ mgbe Chineke gọziri Leban n’ihi Jekọb.

**Ozi Ahụ Nke Ndị ozi Jekọb Ziri**

Jekọb buru ụzọ zipụ ndịozi ka o wee nweike ịmata ụdị nnabata ọ gaenweta n’aka nwanne ya nwoke. Ị gaecheta na Ịsọ zubeere igbu Jekọb iriarọabụọ garaaga; ma n’ihe a niile Jekọb matara, na ọ pụrụ ịnaecheta ekworo ochie ahụ. Mgbe ndịozi ahụ laghachiri ha ziriozi na Ịsọ chị narị ndịkom anọ na abịa. Nke ahụ dị ka ọ bụ agha! Egwù tụrụ Jekọb.

**Idoziụzọ**

Site n’inyeaka Chineke, Jekọb emeriwo Leban n’agha site n’amamihe nke okwu ya. Mgbe ahụ ọ naeme ihe ziriezi naemezi mkwekọrịta niile nke ọgọ ya nwoke. Ma ugbu a ọ ghaghị izute nwanne ya nwoke onye iwe ya dị ọkụ bụ́ onye o mejọworo, o wee nọdụ n’óké nsogbu nke échìchè.

Chineke agbagharawo Jekọb mmehie niile ya n’ụbọchị ahụ o kpereekpere na Betel, ma ugbu a ka oge idoziụzọ ya ruru -- ịnata mgbaghara nke nwanne ya nwoke. Ọ bụghị ihe zuruòkè ịnata náání mgbaghara nke Chineke, Ọ naatụ anya ka anyị mezie ihe niile n’ebe mmadụ ibe anyị nọ.

Nime nwute nke Jekọb o chigharikuru Chineke ka O nyere ya aka. Mgbe ọ dị ka ihe o siiri anyị ike, anyị nwere aka nduzi nke Chineke ma ọ bụrụ na anyị gaadaberesi ike na Ya.

**Ekpere Jekọb**

N’obi dị umeala Jekọb kpereekpere, “Ekwesighm ebere niile, na eziokwu niile, nke I meworo orù-Gi; n’ihi na mkpa-n’akam ka m’were gabiga Jọdan nka; ma ugbu a aghọwom ọmuma-ulo-ikwù abua.” O kwenyere na Chineke bụ Onye nyeworo ya ihe onwunwe ya niile, na o kwesịghị inwe ha. Ma ọ chọrọ ka Chineke mere ya iheọzọ karịa. Jekọb chètaara Chineke mkwà Ya niile ịkpọghachi ya n’ụlọ nna ya n’udo, na ime mkpụrụ ya “Ka ọ di ka ájá nke osimiri, nke anāpụghi iguta ọnu n’ihi idi ọtụtụ ọ dị.”

Ọ bụ ihe dị mma mgbe anyị naekpeekpere ka anyị chètara Chineke mkwà Ya nye anyị -- ọ bụghị na Ọ mataghị ha, kama ime ka okwukwe anyị sieike site n’ịgụgharị ngọzi niile dị ókéọnụahia bụ nke O kweworo ná mkwà nime Okwu Ya.

Jekọb ejikerewo ugbu a ịkwadobe izute Ịsọ. O were ọtụtụ narị ụmụanụmanụ dị icheiche nke sitere n’igwe ewu na atụrụ ya wee ziga ha n’igwe n’igwe, orù ọ bụla naachịrị otù igwe, ịgwa Ịsọ na ha bụ onyinye enyere ya site n’aka “oru-gi Jekọb,” Jekọb ewedatawo onweya n’iru Chineke, ma ugbu a o wedatawo onweya ala n’iru nwanne ya nwoke, náegosi na o nwewo mgbanwe nke obi.

Ma ọlụ aka niile nke Jekọb emeghị ka obi sie ya ike na ọ gaachọta amara n’iru nwanne ya nwoke. O wee kpebie na ya gaekpegide ekpere rue mgbe ọ gaanata mkwagide nke Chineke na ihe niile gaaga nkeọma. Ọ chịrị ndị nwunye ya na ụmụ ya gabiga mmiriiyi ahụ ka ha nọ ọnọdụ abalị n’ebe ahụ. Ma mgbe ọ fọdụrụ náání ya ọ malitere ikpeekpere. Ọ karịrị ikpeekpere efù; Okwu ahụ naagwa anyị “Otù nwoke wee so ya nāgba ngba rue chi-ọbubọ.” Mgbe ọ naapụghị imeri Jekọb n’ụzọ efù, o mere ka isiọsụ Jekọb pụọ n’ọnọdụ ya; ma Jekọb jidesikwara

ya ike. Mgbe ọ naeru chiọbụbọ, mmụọozi ahụ wee sị, “Gham ka m’la.” Ma Jekọb zara sị, “m’gagh-agha gi ka i la, ma ọ buru na i gọzighm” Jekọb wee merie. Okwu niile mmụọozi ahụ kwuru bụ, “I jisiwo ike n’ebe Chineke nọ; na n’ebe mmadụ nọ ị wee nwe ike.” (maọbụ “Dika nwaeze i nwewo ike n’ebe Chineke na mmadụ nọ, we merie”).

**Ụgwọọlụ Nke Nnọgidesiike**

“We nwe ike!” (maọbụ “we merie!”) Lee àkụ̀ dị óké ọnụ nke dị na nkọwa nke okwu niile ahụ! Jekọb ezutebeghị nwanne ya nwoke, ma o nweworị owuweanya nke sitere na Chineke na agaagbaghara ya. Site n’okwukwe ọ kpọrọ “ihe nādigh dika asi (agāsi) na ha di” (Ndi Rom 4:17). Nke ahụ bụ ezi okwukwe.

Nke a bụ óké ọgụ imemmụọ nke abụọ Jekọb lụworo. Mmeri nke imemmụọ a, tinyere iji obi chụọàjà nke o mere, wetaara ya mnwapụta nke nsacha obi nke odudonsọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Ọ̀ naemetụ Jekọb na o kwesịrị ịnata ebere niile nke Chineke?
2. Ònye bụ Onye ahụ ya na Jekọb gbaramgbá rue chiọbụbọ?
3. Jekọb ọ natara ngọzi ahụ ọ chọrọ?
4. Gịnị bụ ihe anyị pụrụ ịmata site n’ekpere Jekọb?
5. Gịnị bụ ihe mnwapụta ọ natara n’ebe a?
6. Òlee mgbe na ebe azọpụtara ya?